# UBUBE NKE JEKỌB
## Jenesis 27:41-46; 28:1-22
## IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 23 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ka m'kwughachi JEHOVA nkwa nile m'kwere" (Abù Ọma 116:14).**

Ịsọ kpọrọ nwanne ya bụ́ Jekọb asị n'ihi na ọ nárawo ya ihe nketa ya. Onye ọ bụla naenwe ọmiko n'arụ Ịsọ n'ihi na ọ tụfuru ihe niile, nke a bụ nnọọ mmehie nke ya. Ọ ga adịworị ihe dị nime ndụ Ịsọ nke náatọghị Chineke ezi ụtọ, n'ihi na dịka Ọ gwara Ken sị, "Ọ buru na ị nēme nke-ọma, ọ̀ bugh ngbasa-iru ka ị gēnwe? ọ buru kwa na ị megh nke-ọma, n'ọnu-uzọ ka nmehie nāmakpu dika anu-ọhia" (Jenesis 4:7). Ya mere ọ gaabụ na Ịsọ naanata ụgwọọlụ nke mmehie ya. Ịkpọasị ahụ nke dị nime obi ya n'ihi Jekọb mere ya ka ọ bụrụ ogbummadụ, n'ihi na dịka anyị mụtara n'iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị garaaga na ọ bụrụ na onye ọ bụla akpọ nwanne ya asị na onye ahụ aghọwo ogbu mmadụ (Matiu 5:22; 1 Jọn 3:15).

### Mmụọ Nke Ịbọ́ọ́bọ̀

Iwe Ịsọ dị náasụgharị nime obi ya, o wee chépụta na ọ gaegbu nwanne ya. Otú ọ dị, ma n'ihi na ọ ka nwere nsọpụrụ n'ebe ndị mụrụ ya nọ o wee kpebie na ọ gaechéré rue mgbe nna ya nwụrụ.

Rebeka nụrụ okwu niile nke Ịsọ, o wee mee ngwa ịnapụta Jekọb. O wee gwa ya ka ọ laghachi na Heran n'ebe ndị ikwu ya nọ rue mgbe iwe Ịsọ gaakwụsị. Ọ dịghị mgbe o chere na ọ gaanọ ebe dị anya ahụ iri arọ abụọ na otù -- n'eziokwu o kwuru banyere nnọdụ ya n'ebe ahụ dịka agasị na ọ gaabụ "ubọchi ole-na-ole." Ma otú ọ dị, ọ nọghị kwa ndụ hụ Jekọb ọzọ, ya mere ọ hụkwara ahụhụ n'akụkụ nke ya n'ihi ntụpụta ha ịghọgbu Aisak na Ịsọ.

Ịsọ alụwo ndịnyom abụọ sitere na ụmụ ndịnyom nke ndị Kenean, nke kpasuru Aisak na Rebeka iwe. Nke a bụ ihe ngọpụ Rebeka nwere nke mere o jiri gwa Aisak ka Jekọb jee na Heran lụtara onweya nwunye site na ndị nke ya. Aisak chere na ọ bụ ezi nchépụta, wee zipụ Jekọb site n'ịgọzi ya karịa ngọzi nke o buru ụzọ gọzie ya. O wee sị, "Chineke nye kwa gi ngọzi Abraham."

Chineke ekwewo Abraham mkwà na Ọ gaeme ya ka ọ bụrụ mba dị ukwuu, na ọ bụ kwa site na agbụrụ ya ka agaagọzị mba niile nke ụwa. Nke ahụ bụ amụma eburu na Jisọs gaje ịbịa otù ụbọchị site na mkpụrụ Abraham, ka ewee gọzie ndị niile gaekwere na Ya. Anyị na ahụ na ntọala nke Chineke rọpụtara site na mgbe Ọ kpọrọ Abraham na Ua naeji nwayọ náemezu, ma ugbu a anyị nọ n'ọgbọ nke atọ -- Abraham, Aisak na Jekọb.

Ịsọ ka naenwe olileanya ịchọta amara n'iru ndị mụrụ ya. Ya mere mgbe ọ nụrụ ka Aisak naagwa Jekọb ka ọ ghara ịlụtara onweya nwunye site n'ụmụ ndịnyom nke ndị Kenean, ọ gbalịrị ka o mee ihe gaatọ ha ụtọ site n'ịlụ nwanyị ọzọ -- nke ugbu a bụ nwa Ishmel onye náabụghị onye Kenean. Nke a ewepụghị iheọjọọ ahụ nke o buru ụzọ mee, o were anyị anya na o nwetaghị udo nke obi site n'ihe a nke o mere.

### Otù Nrọ Dị Ebube

Jekọb malitere ijè ya n'eziokwu ịgbapụ site n'ebe nwanne ya nọ. N'ọgwụgwụ nke ụbọchị mbụ o wee tọgbọ isi ya n'ala ịrarụụra. Chineke wee mee ka ọrọnrọ pụrụ ichè. Ọ hụrụ ubube nke sitere n'ala rue Eluigwe, ndị mmụọozi wee náarịgo náarịda kwa na ya. Chineke nọ n'elu ya. O wee kpanyere Jekọb ụkà náeme ka ọ mara na ngọzi niile nke Aisak gọziri ya aghaghị imezu otú ahụ. Chineke kwere mkwà inye ya ala ahụ niile nke gbara ya gburugburu, na ụmụ ya nke ọgbọ ndị náabịa n'iru gaadị ka ájá nke ala n'ịbaụba (ndị ahụ bụ Ndị Ju n'ụbọchị taa).

Chineke kwe kwara Jekọb mkwà ọzọ na Ya gaanọnyere ya n'ebe ọ bụla ọ naeje, ma kpọlatakwa ya. Jekọb gaenwe ọtụtụ ohere o gaeji chèe échìchè banyere mkwà ahụ niile. Nime iheọ̀mụ̀mụ̀ olenaole nke gaje ịbịa anyị gaamụ banyere ọnọdụ siriike nke ọ gabigara, ma Chineke arapụghị ya ma emesịa Ọ kpọghachiri ya nye nna ya.

### Ndị Mmụọozi Nlekọta

Ọ̀ gaghị abụ ihe dị ebube ịhụ́ ndị mmụọozi ka ha naarịgo náarịda dịka Jekọb hụrụ na nrọ̀ ya? Anyị naenwe kwa ụdị ndị mmụọozi ahụ ọ bụ ezie na anyị adịghị ahụ ha anya. Pọl kwuru ihe banyere ha, "Ha nile abugh ndi-mọ nēfè òfùfè. Ndị ezipụtara ije ozi n'ihi ndi gaje iketa nzọputa?" (Ndi Hibru 1:14). Ná Abù Ọma 34:7, anyị gụrụ: "mọ-ozi nke JEHOVA nāma ulo-ikwù-ya gburugburu ndi nātu egwu ya, o we dọputa ha."

Otù mgbe onye amụma nke Agba Ochie bụ́ Elaisha, nọ n'otù obodo nke ndịagha gbara gburugburu. Egwù tụrụ orù ya o wee tie mkpu sị, "onye nwem, ayi gēme aña?" Ma Elaisha gwara ya ka ọ ghara ịtụ egwù n'ihi na ha nwere ọtụtụ ndị agha nke nọnyere ha karịa nke ndịiro ha. Emesịa Elaisha kpereekpere ka Chineke meghe anya imemmụọ nke orù ya. O juru ya anya mgbe ọ hụrụ na ugwu ahụ nke gbara ha gburugburu jupụtara na

ịnyịnya na ụgbọala ọkụ bụ́ nke Chineke zitere iji chebe ha! (2 Ndị Eze 6:14-17). Ndị mmụọozi nke Chineke naechebe ndị bụ́ ụmụ Ya; ọ bụrụ na anyị atụkwasị Ya obi ma náadị ndụ ime ihe gaatọ Ya ụtọ, anyị agaghị atụ́ egwù ihe mmadụ gaeme anyị.

Mgbe Daniel nọ n'olulu ọdụm, Chineke zitere otù mmụọozi, ikpuchita ọnụ ọdụm ahụ niile. Baịbụl agwaghị anyị na Daniel hụrụ mmụọozi ahụ anya, kama ọ maara na ọ nọ n'ebe ahụ, n'ihi na ọ gwara eze ahụ otú esiworo chebe ya.

**Iru (Ịnọ Nso) Chineke**

Mgbe Jekọb tetara n'ụra egwù tụrụ ya. Gịnị ka ị chere mere ka egwù tụọ Jekọb mgbe ọ hụsịrị ndị mmụọozi ahụ maramma ndị náarigo náarịda n'etiti Eluigwe na ụwa, náanụ kwa ka Chineke naekwe ya mkwà inye ya ngọzi kachasị ukwuu bụ nke apụrụ inye ya? Ọ bụ n'ihi na mmehie dị n'obi Jekọb. Ọ gbapụrụ n'ebe Ịsọ nọ n'ihi na ọ naatụ egwù ya; ma ugbu a ọ nọ n'iru Chineke, egwù dị ukwuu bịakwasịrị ya. Chineke kwere ya mkwà dị icheiche dị ebube iji mezue mkwà O kwere nnanna Jekọb bụ́ Abraham. Ọ dịghị ihe Jekọb mere nke kwesịrị inye ya ngọzi ndị ahụ.

**Mkwà Dị Icheiche Dị Ebube**

Chineke ekwewo mmadụ niile mkwà inwe ọñụ nime obi ha, udo n'ebe mmadụ ibe ha nọ, ihe oriri nke gaezuru ha, uwe oyiyi, ebe obibi (Ndị Filipai 4:19); na ndụ ebighịebi dịka okpueze nke ụgwọọlụ n'Eluigwe ahụ dị ebube bụ́ nke karịrị ihe ọ bụla anyị pụrụ iche èchìchè banyere ya. N'ezie ọ dịbeghị ihe mmadụ mere kwesịrị ngọzi ndị ahụ niile; kama ọ bụ amara nke Chineke rọpụtara ha, ọ gaeme kwa ka ọ pụta ìhè nime ndụ ndi niile gaadabere na Ya. Ma onye ọ bụla nke wezugara onweya n'ebe Chineke nọ agaghị anata ihe ọ bụla ma ọ bụghị ntaramaahụhụ.

**Mkwà Dị Icheiche Nke Jekọb**

Ugbu a Jekọb ghọtara na ya bụ onye mmehie, kama náetufughị oge ọ dị ihe ọ chọrọ ime banyere ya. O wee bilie n'isiụtụtụ, were nkume ahụ ọ dọbara n'okpuruisi ya, do ogidi, wụsa mmanụ n'elu ya, maka ijikere ifè òfùfè ya. Ọ sịrị "N'ezie JEHOVA nọ n'ebe a; ma mu onwem amagh ya." Lee ụdị ohere dị ukwuu nke anyị nwere ifè òfùfè n'ebe Chineke nọ!

Jekọb kwere mkwà dị icheiche n'ụtụtụ ahụ bụ́ nke wetara mgbanwe nime ndụ ya. Ebe o buworo ụzọ chịkọta ihe niile o nwere ike nye onweya, náechètaghị ihe banyere ndịọzọ, ugbu a o jikere ka Chineke náedu ya. Ihe niile ọ rịọrọ, bụ́ náánị iheoriri gaezuru ya uwe oyiyi gaezuru ya, na kwa ka ọ lata n'ụlọ nna ya n'udo. Ụdị mgbanwe obi dị otú a gaabịa náánị mgbe amụrụ mmadụ ọzọ, were kwa ọbara Jisọs zọpụta ya site na mmehie ya niile. Site n'inyebiga ndụ ya nke ekwere ná mkwà.

Jekọb kwe kwara Chineke mkwà na site n'ugbu a ọ ga naakwụ otù uzọn'ụzọiri nke ihe niile o nwere. Anyị ghọtara na ọ sịrị, "Ihe nile I gēnyem, aghagh-kwam inye Gi otù uzọ n'uzọ iri." O nweghị kwa ike ịpụ ijé inweta ihe ọ bụla n'onweya, kama ọ naatụkwasị obi ya n'ebere Chineke inye ya ihe niile dị ya mkpà n'ọdịn'iru nke ndụ ya. Anyị gaamata na Chineke gọziri ijiobichụọàjà nke a, wee kwụghachi -- Jekọb n'ụba ma n'ihe niile nke anaahụ́ anya na kwa n'ihe nke mmụọ.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Òlee mmetụta nke a nwere ná ndụ Ịsọ mgbe ọ matara na nna ya enyewo Jekọb ngọzi ahụ?
2. Ngọzi ahụ niile nke agọziri Jekọb ha naeso ya?
3. Òlee ihe Jekọb ji meere ihe ịdobeisi ya?
4. Gịnị bụ mkwà ahụ Jekọb kwere?
5. Ànyị gaakwụ otù ụzọn'ụzọiri n'ụbọchị taa?